AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

# MMEKỌRỊTA DỊ N'ETITI MMADỤ NA EKERECHI: NLEBA ANYA N'ABỤ EDEREDE IGBO SI N'AKA

**Anagor, Chioma .C.**

Ngalaba Amụmamụ Igbo,Afrịka na Nzikọrịtaozi
Fakọlti Keaatị, Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
cc.anagor@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**

*Mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ekerechi nwere nke ezie na nke ọjọọ dị ka mmadụ si chọọ. E nwere ọtụtụ mkpa ihe ekere ọmụmaatụ osisi na-egboro mmadụ mana ọ bụ mmadụ ka ọ dị n'aka ịhụ na osisi ndị a anwụsịsịghị site n'agwa ha na-akpaso ihe ekere a Chukwu kere iji nyere mmadụ aka n'ụwa. Chukwu kere oge niile dị ka udummiri nke bụ oge mmiri ozuzo. Ọ bụ mmiri ozuzo na-enye mmiri mmadụ na anụmanụ ji adị ndụ. Na mmadụ na anụmanụ nwere ikuku ha na-eku n'ume bụ site n'osisi, osisi na onwe ya ga-adịkwa ndụ site n'ume mmadụ kupuru. Ya mere o ji kee ukwu osisi na ihe ekere ndị ọzọ iji hụ na mmadụ ataghị ahụhụ mana oge ụfọdụ, mmadụ na ihe ekere ndị ọzọ anaghị ezipụta ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha . Edemede a lebara anya ka odee abụ Igbo ndị a họọrọ si zipụta mmekọrịta dị n'etiti ekerechi na mmadụ. A ga-eji atụtụ ekerechi nke William Ruckert tụpụtara n'afọ 1978 bụ nke na-akọwa maka mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ihe ndị dị na gburugburu ya. Atụtụ a tụrụ anya na mmadụ kwesịrị ịhụ mkpa ọ dị ichekwa ekerechi dị na gburugburu ha. Abụ ndị a ga-eleba anya bụ "nkwụ" na "udummiri" iji chọpụta udi mmekọrịta dị n'etiti ihe erere abụọ ndị a.*

**Ọkpụrụkpụokwu:** Osisi, Udummiri, na Ekerechi

## Ndubanye

E nwere ọtụtụ ihe Chukwu kere nke mmadụ so n'otu n'ime ha iji hụ na ụwa atọgbọghị n'efu. O kere nke ọbụla iji nyere ibe ya aka n'ụzọ ọbụla tụmadị ịnyere mmadụ aka dị ka ndị o kere n'oyiyi ya. O kere ụmụ anụmanụ ka ha bụrụ anụ nye mmadụ ma ọ bụrụ na mmadụ nyere aka ịchekwaba ha site na izulite nke ga-anọchi anya nke ha tara maọbụ nke ha gburu egbu were ahụ ya rụọ akpụkpọụkwụ na ihe ndị ọzọ, aṅụ na-enye mmadụ mmanụ aṅụ dị ka ihe ọtọbịrịbịrị ha ji eri nri, nsị anụmaanụ bụ nri nye ihe a kọrọ n'ala, ewepụ mmiri ozuzo ị mara na ọ dịghị ihe ga-adị ndụ ma anwụ achaghị, ihe akọrọ n'ala agaghị eme nri nke ọma.

Ọ dị mkpa ịmata na mmadụ na anụmanụ agaghị adị ndụ ma ewepụ mmiri na ikuku nke si n'osisi apụta. Mmiri na-enye ndụ, e ji ya esi nri, ọ na-enye aka ime ka ihe a kọrọ n'ubi mee nri, ọ na-enyekwara osisi aka ịmị mkpụrụ ma dị ndụ. Isi sekpụ ntị bụ mmiri maka na tupu e kee ihe ọbụla n'ụwa, mmiri dịrịị dị ka a hụrụ na Jenesis 1:2. Akwụkwọ nsọ kọwara na mmụọ nke Chineke na-erugharị n'elu mmiri n'oge okike ụwa. Jenesis 1:9, a hụkwara na Chineke nyere iwu ka mmiri niile zukọta ọnụ ka ala ọkpọrọ wee pụta. Nke a gosịrị ikike na mkpa mmiri dị n'ụwa. A hụkwara na jenesis 2:8 ka eke si wee kee osisi dị icheiche iji

nyere mmadụ aka. Nke a gosipụtara na mmiri bu mmadụ ụzọ nọrọ mana e kere osisi iji nye mmadụ nri na ikuku.

E lezịa anya ebe ukwu osisi dị, ahụ uru ọ baara mmadụ n'ụwa a na oke na ọrụ mmadụ ebe osisi ndị a di iji hụ na ha anwusịsịghị site na ịchekwaba ha n'ihi na ọ dịghị nke ga-ebinwu ma ewepụ ibe ya. Dịka a hụrụ tụmadị na mba Afrịka na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ihe ekere abụchaghị nke dị mma n'ihi na mmadụ na-agbanyeghị na ọ maara na ọ bụ site n'osisi nke gụnyere ihe a kụrụ n'ala ka ha si adị ndụ, ọ bụkwa ụmụanụmaanụ ka ha ji mere anụ oriri na ihe ndị ọzọ mana ha anaghị echekwaba ha etu o kwesịrị. na nchịkọba ndị United nations Office on Drugs na Crime (UNODC) mere na Naịjirịa na 2021, ha chọpụtara na ihe ekere niile na-eto n'oke ọhịa tụmadị osisi ndị nọ n'otu a kpọrọ "rosewood" nọ n'ihe mgbu. Ha kọwara na n'afọ 2011. Ebupuru osisi ndị a n'ebe ọ dị ukwuu buga ha mba ofesi. Ihe ka njọ bụ na mbupu a bụ n'ụzọ ezighị ezi nke gọọmentị amaghị ihe ọbụla banyere ya.

A na-achọ osisi ndị a achọ na mba ofesi n'ihi na e ji ha arụ ihe dị icheiche dị ka oche, nri oche, ihe e ji ekonye akwa  na ihe niile e ji osisi arụpụta. Osisi ndị a siri ike, ụtụ anaghịkwa agba ha nke a mere ndị ọcha ji achọgharị ya ebe ọbụla tụmadị na mba ebe e nwere oke ọhịa ebe mmiri na-adọ. Osisi ndị a na-enye ego nan de nan de nke mere ọtụtụ ndị maara maka ya ji ebupu ya n'ohi. Ha na-aga n'oke ọhịa ebe ha na-eto gbutuo ha ma ree ha oke ọnụ ahịa. UNODC kwuru na etu ndị mmadụ si egbutu osisi ndị a ma na-ere ha na oge adịghị anya, osisi ndị a ga-agwụ n'ọhịa ala Naịjirịa dum nke ga-enye ndị ọrụ aka nsogbu n'ihi na agaghịzị ahụ osisi siri ike a ga-eji na-arụ ihe siri ike. Atụmatụ ha mere gọọmentị Naịjirịa site na enyemaka gọọmentị mba Jamịnị na otu Yuropịanụ ji jikọọ aka ọnụ ijide ndị ọrụ ha bụ ịre osisi ndị a n'ohi zupu ha na mba ofesi.

## NKỌWA ỌKPỤRỤKPỤOKWU

### Osisi

Osisi bụ mkpụrụokwu Igbo pụtara "tree" n'asụsụ Bekee. Ọ bụ ihe nwere ogwe, alaka, na akwụkwọ. Ọ bụ akụkụ dị mkpa nke gburugburu ebe obibi. Amamgbo (2021: 252) kọwara na osisi bụ ihe Chineke kere nye mmadụ iji mee ka ndụ dị mfe, tọọ ụtọ ma dịkw amma n'ebe obibi mmadụ. Ọ bụ ihe e ji enyere ndụ aka site n'iji mkpụrụ ya gbochie agụụ. Mkpụrụosisi na-enyekwa aka idozi ahụ ma mee ka akpụkpọ ahụ dị mma ile anya.

Sanchez (2021) kọwara na e nwere ọtụtụ uru osisi bara nke gụnyere;

- Ha na-enye anyị ikuku ọkụcijin
- Ha na-amị mkpụrụ nke mmadụ ji eme nri
- Ha na-egbochi mbuze
- Ha na-enye ndo
- Ha na-achọ gburugburu mma
- Ha bụ ebe obibi nye ọtụtụ ụmụ anụmaanụ na anụ ufe
- Mgbọrọgwụ na ahịhịa si n'osisi bụ ọgwụ e ji agwọ ọtụtụ ọrịa

Ihe ndị a Sanchez gụpụtara dabara n'ajụjụọnụ Akọlisa gbara maazị Edochi na ichie Agbarakwe gbasara osisi na uru ha bara n'afọ 2021 na bbc. Maazị Edochie kọwara na n'omenala Igbo, nkwenye ndị Igbo bụ na osisi ọbụla nwere ike so ya. Ya mere na ọtụtụ mgbe a mụọ nwa ọhụụ, e lie ọlụlọ nwa ya n'okpuru osisi. Ọ gara n'ihu ịgụpụta ụfọdụ osisi dị mkpa n'ala Igbo na ihe omimi so ha dị ka;

**Ọjị**

Ichie Agbarakwe n'otu ajụjụọnụ ahụ kọwara na e ji ya arụ ụlọ ewu na atụrụ ma na-ata akwụkwọ ya dị ka nri. A na-eji ya atụnyere ihe dị ebube dị ka onye a maara. Dịka ilu Igbo kwuru na onye rịrị ọjị kpaara ya nkụ n'ihi na anaghị arị ọjị kwa daa. Ọ kọwakwara na ihe gbasara mmụọ na mmadụ nọ n'ukwu ọjị. O kọwara na a na-achụ aja dị icheiche tupu e gbutuo ọjị gbarala mgbọrọgwụ.

**Osisi Anụnụebe**

Maazị Agbarakwe kọwara na osisi a anaghị enwe osisi kwụdobere ya. Nnụnụ na ụmụ anụmaanụ anaghị ebekwasị ya, ha bekwasị ya, ọ bụrụ ọnwa. Naanị ndị katara ahụ na-eji ya eme ihe. O kwukwara na a na-eji ya eme ihe siri ike dị ka ihe mmụọ.

**Ogilisi**

A kọwara ogilisi ka osisi sayensị kpọrọ "newbouldia laevis". Osisi a bụ anwụanwụ ma n'ọkọchị ma n'udummiri. A na-eji ya agba ogige, ụfọdụ ji ya emeta ọba ji. Ichie Agbarakwe kọwara na a na-eji ya eme oke ala. A na-etunye ya ebe e liri mmadụ iji rụba ebe ahụ ama. O kwukwara na mgbe gboo, ndị na-agọ mmụọ na-ebute arụsị na-eji ya akwadobe udi ihe ahụ, a na-ejikwa ya ezi ozi n'ụfọdụ obodo. Ọmụmaatụ; agbọghọ lụrụ di ọhụụ gaa "ife ụlọ" be di ya, ọ lawa, a na-ebunye ya ite mmanya o ga-eji ekele ndị ọgọ mana etinye akwụkwọ ogilisi n'ọnụ ite mmanya ahụ, ihe ọ pụtara bụ "anyị alụkwaghị".

**Nkwụ**

Ọ nweghị ihe nọ na nkwụ lara n'iyi, ewu na atụrụ na-eri igu; e ji ihe ewu rifọrọ igu mere azịza; e ji akwụ emeta mmanụ ma were akụ emeta ude, a na-etekwa nkwụ a na anụ anụ na nkwụ. Ọ bụghị naanị ihe na-enye ego dị na nkwụ, ọmụ nkwụ nwere ihe omimi so ya nke gụnyere; e tinye omụ n'ubi, ihe ọ pụtara bụ mmadụ abala ya. E jikwa ọmụ eti mmanwụ ma na-egosi ebe mmadụ nwụrụ. A na-azọ ala, a na-etunye ọmụ n'ala iji gosi na mmadụ ekwesịghị ịbay a ruo oge ekpechara ikpe ya. Onye kachie ntị banye, ihe sọrọ obodo ha eme ya.

**Ọgbụ**

Ndị na-eje n'arụsị na-egbupuru arụsị ha ọbara maọbụ wuụpụrụ ya mmanya n'ukwu ọgbụ. Agbarakwe kọwara na ihe mere nke a bụ n'ihi nkwenye ndị gboo na o nwere ihe gbasara ọgbụ, ndị mmụọ na ndị mmadụ. Ya mere ndị gboo ji awụpụrụ ya ọbụrụ.

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute

**Ụdara**

Ụdara bụ otu osisi mmadụ ga-enwe n'ugbo ya, ọ gaghị abụ nke ya, ọ bụrụ nke ọha. Onye ọ daara, ọ rachaa. N'ala Igbo, ụdara bụ osisi ọmụmụ ya mere ụmụ nwaanyị dị ime ejighị ya egwu egwu.

**Osisi ọjị**

Ndị Igbo ji mkpụrụ osisi a ele ọbịa nke ha kpọrọ ọjị, ha ji ya ekpe ekpere maọbụ gọọ ọfọ. N'ogo ndị Igbo dobere ọjị mere na nwaanyị anaghị arị maọbụ ghọọ ọjị ma ya fọdụ ịwa ya awa dị ka omenala si dị.

Amamgbo (2021:256-259) zipụtakwara ọtụtụ osisi e nwere nke gụnyere; nchụanwụ, akụekere, nchụanwụọhịa, anwụrịnwụ, ube mkpụrụ akị, anụnụebe, ijikara, mbembe, ebenebe, mkpọdụ, ụtụ, okweone, okpete dgz.

Dị ka elebagoro anya n'uru osisi baara mmadụ, a kọwakwara na mmekpa ahụ mmadụ na-enye osisi site na igbutu ha aghara aghara iji rụọ ụlọ, mere nkụ e ji esi nri, ree ya n'ihi ego maọbụ iji zọta ala d.wg.z. na-ebute ọtụtụ ajọ ihe nye ndụ mmadụ. Tombari, Batombari na Kemetonye (2021) kọwara ọtụtụ ụzọ ndị mmadụ si ewepụ ndụ osisi na gburugburu ha na ọghọm so ya. Nke mbụ bụ ịkwatu osisi dị n'ọhịa maọbụ nke puru n'ala iji mee ka ala ahụ bụrụ ala nkịtị. ha kọwara na ọtụtụ ihe na-ebute igbutu osisi bụ ka ndị mmadụ hụ ebe ha ga-arụ ụlọ kọọ ihe n'ala. Ụfọdụ oge, a na-agba oke ọhịa ọkụ maọbụ gbutuo osisi ka anụmaanụ hụ ụzọ ha ga-esị gaa kpaa nri.

Ọzọ bụ iji weta mmepe na gburugburu ahụ site n'ịrụ ụlọ ahịa, ụlọ akwụkwọ, ụlọọgwụ, okporo ụzọ na ụlọ mmepụta ihe d.g.w.z. ha gara n'ihu ịkọwa ọghọm so igbutu osisi nke gụnyere;

A. Ọ ga-eme ka ụmụ anụmaanụ kwụsị inwe ndo na ụlọ ebe obibi
B. Ukwu osisi na-amị mkpụrụ agaghị amịkwa mkpụrụ nke ga-eme na nri ga-akọ ụmụ anụmaanụ na mmadụ.
C. Ọ na-ebute mbuze n'ala nke na-emebi ọtụtụ ihe dị ka nri a kọrọ n'ala ebe ahụ, ụlọ niile dị n'okirikiri ahụ ga-amalite ịmanya amanya.
D. Mgbanwe n'ụrụkpuru: ọnọdụ obibindụ ga-agbanwe n'ihi na a ga-enwe oke anwụ, oke mmiri ozuzo, ala ọma jijiji, ala imeghe loo ụlọ na ihe ndị ọzọ, ajọ ikuku na-ekpchapụ ihe dị n'ala.
E. Ọ ga-enye ohere ọrịa dị icheiche ị malite ịrịa ndị mmadụ n'ihi na osisi na-enye mmadụ ọkụcijin dị mma na ezi nchekwa ahụ site n'ịta akwụkwọ nri dị icheiche.
F. Ọ na-eme ka ọtụtụ ụmụ anụmaanụ hapụ ebe obibi ha chọwa eve ọzọ maọbụ nwụsịsịa tụmadị anụ na-ebi n'ọhịa. nke ga-emekwa na ndị na-agba nta agaghị ahụ anụ ha ga-agbata dị ka ọ dị n'oge ugbua. Ọtụtụ ndị anaghịzị agba nta dị ka aka ọrụ n'ihi na enweghịzị ọhịa dị ka enweburu n'oge gboo ebe a na-ekwe ọnya.
G. Ọ na-eme ka enwee ala ọkọrọ n'ihi na ọ bụ osisi na-ezipu mmiri n'ikuku site n'ụzọ fotosintesis nke na-enyere ndụ mmadụ aka. Oge egbuturu ukwu osisi ndị a na-enye

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

> aka, ọ dịghịzị akwụkwọ ukwu osisi ga-amịta mmiri nke ga-eme na ọnọdụ mmiri si aga n'ime ala ga-agbanwe wee bute ala ịkpọ nkụ. Ọ na-emekwa ka mmiri ozuzo hapụ ị na-abịa etu o kwesịrị

E nwekwara osisi ndị bụ osisi nsọ nke ndị Igbo ji eme ofufe. Amamgbo (2021:158-164) kọwara osisi nsọ ka otu n'ime osisi Chineke kere nke nwere ugwu na nsọpụrụ n'ụzọ pụrụ iche n'ala igbo. Ọ bụghị osisi ndị mmadụ ji egwuriegwu dị ka anụnụebe, ebenebe, ọgbabinagụ, okwuma bụ ndị a na-ahụkarị n'oke ọhịa n'ihi ebube na akparamaagwa ha nwegasịrị.

N'ikpeazụ, ha kuru na ọ dị mkpa ndị mmadụ ịkwụsị igbutusi ukwu osisi di na gburugburu ha mana ọ bụrụ na ha ga-egbutu ya, ha kawa ahụ kụọ osisi ọzọ maka ezi obibindụ na ahụ ike. Ọ dịkwa mma ka gọọment lebaa anya etu ndị mmadụ si egbutusi ukwu osisi ma mee iwu ga-ejide ndị gahiere ụzọ.

UDUMMIRI

Udummiri bụ otu n'ime ihu eluigwe dị icheiche e nwere nke gụnyere; ọkọchị, oge okpomọọkụ. Ọ bụ oge mmiri ozuzo ji abịa mee ka ala jụọ oyi ma dị nro ịkọ ihe n'ubi. Ọ bụkwa oge na-esote oge ọkọchị.

Powell (nd) kọwara na oge udummiri dị icheiche n'ala Naịjirịa dị ka n'ugwu awụsa, mmiri na-abụkarị n'agbata ọnwa Julai ruo Septemba mana n'mpaghara ndị ọzọ, udummiri bụ n'agbata Febụwarị maọbụ Maachị ruo Ọgọstụ maọbụ ụfọdụ oge mbido Septemba.

A ga-eleba anya n'abụ ndị a họọrọ iji ziputa mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ekerechi

1. "Nkwụ"

**Nkwụ**

Ọ dị osisi nnụ uru
Ọ dịghị ihe dị n'ahụ ya na-ala n'iyi
Ma mgbe ọ dị ndụ, guzoro ọtọ,
Ma mgbe ọ tọgbọrọ n'ala n'ọnwụ

Mgbe nkwụ dị ndụ na-eto
Dịochi na-aga tee mmaị
Igu ya na-enye azịza na igbegiri
Ma osisi ya, ka a na-amanyere ji

Mgbe agụụ na-agụ ewu na atụrụ
A na-enye ha igu nkwụ ka ha taa.
Ọ bụ ekwere na igu nkwụ
Ka mmadụ na-eji agba ogige

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

Akwụ na-enye mmadụ akụ na mmanụ,
Ma enwe na ọsa na uze na-ata akwụ.
Ọ bụghị n'akụ ka a na-enweta ude?
Ma jiri ichere akụ na-emenwu ọkụ.

Abụrịbụ ka a na-eji emenwu ọkụ,
Ma jiri ya na-egwu ọnụ eyi.
Ogugu kpọrọ nkụ ka e ji eke elu ụlọ,
Ma jirikwa ya mee nkụ n'ekwu ọkụ

Ọghịrịgha a kpọrọ ọkụ na mmanụ
Ka mmadụ na-eji esi ncha
Uduko nkwụ e tere mmadụ,
Ka e ji amụnye ọkụ n'oge abalị

Ọmụ nkwụ ka e ji ama ogu
E jikwa ya eke ihe okike
Mgbe ọ bụla e kere ya n'ụlọ gburugburu
O gosiri na a na-ere ya ere n'ike

Ọmụ ka dibịa na-akpa ka nkata
Nke ndị mmadụ na-eji achụ aja
Osisi e gere ọmụ gburugburu
Bụ osis ekwensu nke gburu mmadụ

Ndị na-agọ mmụọ na-ege okwu arụsị ọmụ
Mgbe ha na-egburu arụsị ha anụ
Ụgbọala e gere ọmụ n'azụ na n'ihu
Gosiri na ọ bu ozu mmadụ

Ogugu na ekwere ka e ji akpa nkata
Ma jiri ogwe nkwụ mezie ụzọ
Ma ọ bụ warie ya ogologo wee kee ụlọ
Ma ọ bụ gwuo ya n'ala ka ọ bụrụ azụ ụlọ

Nkwụ na-enye mmadụ ọtụtụ ego
Ma ọ chọghị onye ume ngwụ

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

N'ihi na ọtụtụ ọrụ ọ na-enye mmadụ
Ma nkwụ nwere ume ngwụ

Lee ka nkwụ si eto ogologo
Ma ọ bụghị ibu ka osisi ndị ọzọ
Ọ gbanyeghị mkpọrọgwụ nke ọma n'ala
Ya mere, ọ na-ada mgbe ikuku kuru.

Nkwụ nwere obi ọma nke ya
Na-azụ mmadụ, nnụnụ na anụ ọhịa
Ma ọ dị arịrịọ m ga-arịọ gị
Ka ị ghara itigbu ọkụkọ ọzọ.

Abụ a na-akọwa uru dị iche iche nkwụ baara mmadụ dị ka osisi, odee abụ a ji ya akọwara mmadụ na osisi baara ya uru hinne nke mere na ọ kwesịrị ka ọ na-akpachapụrụ ukwu osisi di gburugburu anya iji gbanarị ngaramara n'ikpeazụ mgbe ajọ ihe dị icheiche dị ka ọrịa ntụmadị na agụụ ga-adakwasa mmadụ d.g.w.z. Abụ a gụpụtara ọtụtụ uru nke gụnyere; mmanụ e si n'akwụ ọ mịrị enweta, igu ya e ji eme aziza, ude e si n'akị ya enweta, abụrịbu ya e ji emenwu ọkụ , osisi ya a na-awa ka nkụ na mmaị dịochi na-eteta na ya nke na-enye ya ego. Ihe nke a gosiri bụ na ma nkwụ ọ kwụ ọtọ ma ọ nwụrụ anwụ, ọ bara uru ma na-enye mmadụ ego na nri kwa ụbọchị. Odee kọwara uru nkwụ baara ụmụ anụmaanụ dị ka o zipụtara na nkebi nke atọ ahịrị nke mbụ na nke abụọ;

Mgbe agụụ na-agụ ewu na atụrụ
A na-enye ha igu nkwụ ka ha taa.

Nkebi nke iri na atọ, ahịrị nke mbụ na abụọ:

Nkwụ nwere obi ọma nke ya
Na-azụ mmadụ, nnụnụ na anụ ọhịa

Ewezuga uru nkwụ baara mmadụ na ụmụ anụmaanụ, o ziputakwara ọghọm ukwu nkwụ na nkebi iri na abụọ na iri na atọ kọwara na nkwụ abụghị osisi na-esi ike n'ala n'ihi ya, oge ọbụla, ikuku kuturu ya n'ala, ọ na-adagbu ọkụkọ nke bụ ọghọm nye ọkụkọ ahụ n'ihi ọnwụ ọ nwụrụ, bụkwara ọghọm nye onye nwe ọkụkọ ahụ n'ihi na o nwere ike bụrụ ọkụkọ ọ na-azụ ka ọ wee kpata ego site na ịre ya ere maọbụ o yie akwa, ọ ree akwa ya ma ọ bụkwanụ were anụ ya sie nri. Nke gosiri na ihe nwere uru, nwekwara ọghọm.

Lee ka nkwụ si eto ogologo
Ma ọ bụghị ibu ka osisi ndị ọzọ
Ọ gbanyeghị mkpọrọgwụ nke ọma n'ala
Ya mere, ọ na-ada mgbe ikuku kuru.

Nkwụ nwere obi ọma nke ya
Na-azụ mmadụ, nnụnụ na anụ ọhịa

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

Ma ọ dị arịrịọ m ga-arịọ gị
Ka ị ghara itigbu ọkụkọ ọzọ.

Abụ a zipụtara mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na nkwụ dị ka osisi site n'igosipụta uru dị icheiche nkwụ baara mmadụ na ụmụ anụmaanụ nakwa ọghọm nkwụ na-ebutere mmadụ na ụmụ anụmaanụ ma ikuku butue ya n'ihi na mgbọrọgwụ ya anaghị esi ike n'ala dị ka chi ya si kee ya. Ebe osisi a bara uru hinne, ọ dị mkpa ka mmadụ kpachapụ any aka e si egbutu ukwu nkwụ n'ihi na ọ bụ n'ihi na ukwu nkwụ anaghizị eto ka ọ dị na mbụ kpatara mmanụ nri ji dị oke ọnụ n'ahịa, mmaị tinyekwoo ego.

2. "Udummiri"

Udummiri,
E kechaa ị keghasịa
Ọ nweghị onye na-ezi gị oke ala gị
Ọ bụ ebe ọ masịrị gị isi na-aga
Ma ha jụ kọchiere gị ụzọ
{ kparịkọọ ha dum

Ikorobịa na-anụrị na ya zụtara ụgbọala
Gị bụ udummiri anara ya ụgbọala
Zụnye ya ụkwụala
Ewo! Udummiri meere ụmụ mmadụ ebere

Abụ a nwere nkebiabụ abụọ. Nkebi nke mbụ nwere ahịrịabụ isii ebe nke abụọ nwere ahiri anọ. Ndị odee abụ a bụ Ezeuko na Anowai ji abụ a ezipụta mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na mmiri ozuzo n'oge udummiri. Nkebi nke mbụ kọwara udummiri dị ka ihe nwere ndụ n'ime ya n'ahịrị nke mbụ;

Udummiri,
E kechaa ị keghasịa

A hụkwara na udummiri bụ oge mmiri ji eme ihe masịrị ya n'ihi na ọ bụ oge ya. Ụzọ masịrị ya ka o si aga mana ọ bụrụ na mmadụ kọchịe ụzọ o si aga, ọ waara onwe ya ụzọ ọzọ o si aga iji gosi na ọ bụ ya na-achị.

Ọ nweghị onye na-ezi gị oke ala gị
Ọ bụ ebe ọ masịrị gị isi na-aga
Ma ha jụ kọchiere gị ụzọ

Nkebi nke abụọ kọwara ọghọm udummiri nye mmadụ na akụnaụba. Nke a gosịrị na udummiri na-emebiri ndị mmadụ ihe ha;

Ikorobịa na-anụrị na ya zụtara ụgbọala
Gị bụ udummiri anara ya ụgbọala
Zụnye ya ụkwụala

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

Ewo! Udummiri meere ụmụ mmadụ ebere

**Mmekọrịta Dị n'Etiti Mmadụ Na Udummiri**

Abụ a gosịrị na e nwechaghị ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na udummiri nke bụ ihe atụtụ ekerechi na-eleba anya. Nkebi nke mbụ gosipụtara na mmadụ kwesịrị ịwa ụzọ dị mma ebe mmiri ozuzo ga-esi na-erupụ n'oge udummiri mana oge ụfọdụ, mmadụ anaghị eme ihe kwesịrị ekwesị. Ụfọdụ oge, ha na-eji ahịhịa maọbụ aja kpochie ọwa mmiri. Mgbe udummiri ruru, ide mmiri malite, mmiri achọwa ụzọ ọ ga-esi gaa mana ọ gaghị ahụ. Nke a na-eme ka mmiri were aka ya keghasịa ụzọ ọzọ dị ka ndị odee a zipụtara;

Udummiri,
E kechaa ị keghasịa
Ọ nweghị onye na-ezi gị oke ala gị
Ọ bụ ebe ọ masịrị gị isi na-aga
Ma ha jụ kọchiere gị ụzọ
{ kparịkọọ ha dum

E kwesịrị ka e nwee ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ n'oge ihu eluigwe niile e nwere. Mmadụ maara na e nwere oge ihu eluigwe dị icheiche dị ka udummiri, ọkọchị, oge ọkpọmọọkụ. Mmadụ kwesịrị ị na-adị nkwadobe maka ihu eluigwe ndị a ọkachasị oge udummiri maka na oge ahụ na-eweta ọghọm dị icheiche nye ndụ mmadụ, ahụike, akụnaụba na ihe a kọrọ n'ubi. Ọ bụrụ na mmadụ wara ụzọ dị mma ebe mmadụ si aga, e ruo oge udummiri oge ide mmiri na-eru, mmiri agaghị ekeghasị ụzọ ọzọ nwere ike banye n'ubi maọbụ n'ụzọ awara awara.

Na nkebi abụọ dị n'elu, a hụrụ etu udummiri si emebi ụgbọala mmadụ tara ahụhụ zụta iji nyere ndụ aka mezie onye ahụ o were ụkwụ gawa.

Ikorobịa na-anụrị na ya zụtara ụgbọala
Gị bụ udummiri anara ya ụgbọala
Zụnye ya ụkwụala

N'ihi na mmadụ na udummiri enwebeghị ezi nkwekọrịta etu ha abụọ ga-esi nọọrọ onwe ha ma hapụ inye onye nke ọzọ nsogbu, obi na-amapụ mmadụ ma udummiri malite maka na o ga-emebi ọtụtụ ihe. Nke a mere na mmadụ na-arịọ udummiri ka o meere ya ebere.

Ewo! Udummiri meere ụmụ mmadụ ebere

Ọ bụ ezie na ma mmadụ na udummiri bụ ọrụ aka eke nke ọ kere ka ha abụọ nyere onwe ha aka mana mmadụ nwere uche dị ka ihe eke kere n'oyiyi ya nke mere na ọ kwesịrị ịhazi ndụ ka ọ baara onye ọbụla mana n'ihi na mmadụ emeghị ihe o kwesịrị ime, udummiri malite ime ka o si sọ ya nke gosịrị nae zi mmekọrịta adịghị n'etiti ha abụọ dị ka o si kwesị.

AMAMIHE: Journal of Applied Philosophy, Vol. 24. No. 2, 2026
*ISSN Print: 1597 – 0779; ISSN Online: 3043- 5269*
Department of Philosophy, Imo State University, Owerri, Nigeria
*Indexed: Academic Journals Online, Google Scholar, Igwebuike Research Institute*

**Ihe ndị a chọpụtara**

A chọpụtara na ndị odee abụ Igbo na-eziputa mkpa na uru osisi baara mmadụ na ụmụ anụmaanụ dị ka ihe ekere iji mee ka mmadụ ghọta na osisi abụghị ihe ọ kwesịrị ị na-egbutu etu o si sọọ ya n'ihi na ewepụ osisi, ọ gaghị enwe ezi ahụ ike, nri maobụ ikuku ọkụcijin iji dị ndụ.

A hụkwara na osisi ka baara mmadụ uru karịa ka mmadụ baara ya n'ihi na Chukwu kere ihe ndị ahụ niile iji nyere mmadụ aka na ndụ ya nke kwesịrị ka mmadụ jigidesie ihe ekere ndị a aka ike ka ha hapụ ikpochapu n'elu ụwa a.

A chọpụtara na udummiri bụ oge eke kere n'ụwa mana mmadụ anaghị akwado nke ọma ịnabata oge ahụ site n'ime ihe niile kwesịrị ekwesị nke ga-eme ka nsogbu hapụ ịdapụta n'etiti mmadụ na udummiri.

A hụkwazịrị na udummiri na-emebi ọtụtụ ihe na akụnaụba mmadụ dị ka ụgbọala. Ọ na-ekeghasị ihe ọkachasị ụzọ n'ihi na ụzọ ọ ga-esi na-aga adịghị.

N'ikpeazụ a hụkwara mkpa ọ dị mmadụ ịgba mbọ na-akụ ukwu osisi gburugburu ya maka ịnwe ezi ndụ ma kaba ahụ waa ụzọ mmiri ozuzo ga-esi na-aga ka e nwee ezi mmekọrịta n'etiti ha abụọ.

**Nchịkọta**

Mmadụ chọrọ osisi karịa ihe osisi chọrọ mmadụ n'ihi na osisi baara mmadụ na ụmụ anụmaanụ uru karịa. anụ ọhịa niile ukwu osisi na-enye ụlọ nan do na Naịjirịa na-agbasịsị n'ọhịa ndị Naịjirịa n'ihi enweghị ebe obibi maka na mmadụ na-egbutusi osisi iji gboo mkpa ya ma reta ego na-amaghị na ewezuga osisi gburugburu ya, ajọ ọrịa egbuo ya.

Mmadụ tụmadị ndị na-arụ ụlọ n'ụdị ọbụla kwesịrị ịgba mbọ hụ na ha arụchighị ụzọ mmiri si aga. Ọ bụrụ na ha chọrọ iruchi ya, ha kaba ahụ kwaara mmiri ụzọ ọzọ ọ ga-esi na-aga iji gbanarị mmiri iji aka ya keghasịa ụzọ ebe masịrị ya.

Gọọmentị kwesịrị ịtọ anya n'ala jide ndị na-egbutusi ukwu osisi n'ụzọ ekwesịghị ma hụ na alaghachiri azụ ikuziri ndị mmadụ mkpa ọ dị ịkọ osisi gburugburu ha.

Gọọmentị kwesịrị ịgba mbọ waa ụzọ dị mma n'okporoụzọ awara awara niile ha rụrụ. Ha kwesịkwara ịhụ na ndị ọrụ ha bụ ikpo ahịhịa na-eme ya nke ọma tụmadị ahịhịa ndị ahụ ikuku na-ebuba n'ọwa mmiri.

E kwesịrị ka ụbọchị ahụ gọọmentị mapụtara e ji edobe ebe niile ọcha na onye ọbụla pụtara n'igwe hụ nae be niile dị ọcha. Onye ọbụla e jidere kponyere ahịhịa n'ọwa mmiri ga-anata ntaramaahụhụ dị ukwuu dị ka ikpo ahịhịa niile dị n'ọwa mmiri niile nọ na gburugburu ya maọbụ kwụọ nnukwu ụgwọ iji dọọ ndị ọzọ aka na ntị.

**Edendibịa**

Akaolisa, Uche (Juun 14,2022). "Sacred Trees: Osisi Ndị Dị Mkpa N'igbo Oge Gboo Na Ihe Omimi So Ha". Eweghachitere na Juun 14, 2022. Site na http://www.bbc Igbo

Amamgbo, O.C. (2021) "Aha Osisi Ụfọdụ: Uru Ha Baara Ndị Igbo" *Enyo jọnal* , Vol. 2(1) pp154-167.

Amamgbo, O.C. (2021) "Osisi Ụfọdụ Ndị E Nwere n'Ala Igbo Na Mpụtara Aha Ha" *Journal of Chinese and African Studies (JOCAS)*, Vol. 2(1) pp. 252-260.

Ezeuko, R.O na Anowai, J.I. (1989). "Udummiri" in *Echiche.* Ọnịcha: Elite Publishers

Powell, R. (nd). "The climate of Nigeria" in *Blue Green Atlas*. Eweghachitere na Mee 9, 2026. Site na http://bluegreenatlas.com

Sanchez, Monica (2021). "Mkpa Osisi na Osisi Dị Na Ụwa Anyị/ Ugbo na Nlekọta". Eweghachitere na Juun 10, 2026. Site na http://www.jardinerianon.com

Tombari, B., Batombari, G.G. na Kemetonye, J.S. (2021). "Deforestation: Human Causes, Consequences and Possible Solutions na Jọnal nke Geographical Research vol.4, no.2. pg 22-3. Bilingual Publishing

UNODC (Maachị 3, 2021). "The Exploitation of Rosewood in Nigeria" Eweghachitere na Juun 13, 2025. Site na http://www.unodc.org>nigeria